lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Elaịsha, Onye na-alụ Ọlụ Ebube

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

E nweghị oke ehi zuru oke maka ịkpụrụ ụgbọ ahụ. A chọkwuru otu ọzọ. Nke ahụ akwụsịghị otu onye ọlụ ubi aha ya bụ Elaịsha! Naanị ihe o mere bụ ịkwunyere oké ehi ahụ, nochie anya nke ahụ furu efu. Ọ ga-abụrịrị onye siri ike, nwoke mara ihe nke na-arụsikwa ọrụ ike.





Ka Elaisha na-akọ ihe, Elaịja onye-amụma Chineke bịara kpọọ ya. Nwa okorobịa ahụ hapụrụ ọru-ugbo ya jee bụrụ ohu nke Chineke. Otu ụbọchị, Chineke kpọọrọ Elaịja laa n’eluigwe n’oké ifufe. Ugbua, Elaịsha abụrụwo

onye-amụma Chineke nye Izrel.


N'agbanyeghị na Elaịsha nwere mwute n'ihi na Elaịja apụọla, o kpere ekpere ka Chineke nye ya ike dị ka nke Elaịja. Elaịsha chiri uwe-mgbokwasị Elaịja, tiwaa mmiri ahụ nke na-erù erù, dịka Elaịja meworori.
Mmiri ahụ kewara! Ugbua, Elaịsha amarawo na Chineke nọnyeere ya.



Ma mgbe Elaịsha na-aga otù obodo a na-akpọ Betel, ụmụ-okorọbia ụfọdụ kwara ya emò, sị, “Rigo, onye isi-nkwọcha!” Ha achọghị ịma na Elaịsha bụ ohu Chineke. Ihe na-awụ akpata oyi n’ahụ́ mere ha. Anụ ọhịa bea abụọ si n’ọhịa pụta merụọ mmadụ iri anọ na abụọ n’ime ụmụ okorobịa ahụ.

Otu ụbọchị Elaịsha zutere otu nwaanyị di ya nwụrụ nke ji ụgwọ nke ọ na-enweghị ike ịkwụghachi.



Iji nweta ego ya, onye ji ya ụgwọ ga-akpọrọ ụmụ nwoke abụọ nke nwanyị ahụ di ya nwụrụ dị ka ndị ohu. "Jee, biri ite di iche iche n'aka ndị agbata-obi gị niile ... nke ọdịghị ihe nọ n'ime ha," ka Elaịsha sịrị. Chineke gaje imere nwaanyị ahụ ihe dị ebube.

Nwanyị di ya nwụrụ nwere naanị obere ite mmanụ n’ụlọ. Ma o si n’obere ite ahụ wụnye mmanụ ga-eju ite ahụ niile! Ọ bụrụ na ha nwere mgba-ịsa-ahụ n’oge ahụ, ì chere na Chineke ga-emejukwa ndị ahụ? Nwaanyị ahụ di ya nwụrụ rere mmanụ ahụ ma zọpụta ụmụ ya.



Nwaanyị ọzọ na di ya
mepụtara ọnụ ụlọ
pụrụ iche n’ụlọ ha
ka Elaịsha wee
na-ebi n’ebe ahụ
mgbe ọbụla ọ
na-agafe.
N'ime ụlọ ahụ,
ha debere ihe
ndina, tebụl, oche,
na ihe ndọba oriọna.
A na-edobere
Elaịsha ọnụ ụlọ
ahụ mgbe niile.



Elaịsha nọ na-eche otú ọ ga-esi akwụghachi omume ọma di na nwunye a.  Mgbe ọ matara na ha enweghị ụmụ, o kwuru ihe nwaanyị ahụ siri ike ikweta.  “Ihe dịka oge a n’afọ ọzọ, ị ga-amịta nwa nwoke.”  N’ezie, ka otu afọ gasịrị, a mụrụ nwa ahụ.



Ka afọ ole na ole gasịrị, otu nwatakịrị ahụ na nna ya nọ n'ọhịa. “Isi m, isi m,” ka nwa nwoke ahụ tiri na mkpu. Ha wee kuru nwata ahụ biakute nne ya, ọ wee nọdụ n'ikperè ya abụọ rue etiti ehihie, wee nwụọ. Nne ahụ tọgbọrọ nwata ahụ n’elu akwa n’ime ụlọ Elaịsha. Ònye ka i chere nwere ike inyere ya aka?



Ị sịrị Elaịsha?  Nke ahụ dị mma!  O wee jirikwa ịnyịnya-ibu, gbaa ọsọ chọta ya.  Elaịsha wee baa n'ụlọ ya, rịgoo náanị ya, kpere Jehova.  Chineke mere ka nwata ahụ dịghachi ndụ.  Elaịsha wee kpọọ nwaanyị ahụ, sị, “Kuru nwa gi.”



Ọ ga-abụrịrị na obi tọrọ ya ezigbo ụtọ!



N’ala Siria dị nso ka otu ọchị-agha aha ya bụ Neaman bi.  O nwere obi ike, dịkwa ike, ma o nwere ajọ ọrịa akpụkpọ ahụ a na-akpọ ekpenta.

Nwunye Neaman nwere
obere nwa agbọghọ bụ́
ohu nke ọ kpọrọ n’Izrel.
Nwatakịrị nka sịrị, “A sị
na Neaman ga-agakwuru
onye-amụma ahụ nke nọ
n'Izrel!  Ọ ga-agwọkwa
ya ọrịa ekpenta ya.”



Neaman gawara ozugbo ịhụ onye amụma ahụ. Ọ chiiri ọla-ọcha na ọla-edo na uwe mara mma dị iche iche dịka onyinye ịnata iru-ọma.





Ohù Elaịsha wee
puta, sị ya, “Jee,
saa ahụ n'osimiri
Jọdan ugbò asaa,
ị ga-adịkwa ọcha.”
Iwe were Neaman.
Ọ bụ na ya enweghị
ike ịsa n’osimiri dị
ọcha nke ala-ya, bụ
Siria?  N'iwe, ọ
tụgharịrị lawa n'ụlọ.



Ọ dabara nke ọma nye Neaman, ndị odibo ya gwara ya ka o rube isi n’iwu Elaịsha. Neaman wee rịda, sụnye onwe ya n’ime Jọdan ugbò asaa. E wee mee ka ahụ Naaman dị ọcha! Neaman wee kpọọ isi-ala nye ezi Chineke, bụ Chineke nke Elaịsha, bụ Jehova, Onye meworo ka o si n'ekpenta dị ọcha.



Chineke jikwara nwa odibo ya bụ Elaịsha na-arụ ọrụ ọbụnadị mgbe ọ nwụsịrị.  Otu ụbọchị, e liri otu nwoke n’ọgba ahụ e liri Elaịsha ogologo oge gara aga.  Mgbe ozu nwoke ahụ metụrụ ọkpụkpụ onye-amụma ahụ, nwoke ahụ diịrị ndụ ma guzoro n’ụkwụ ya.  N’ezie, Chineke gosipụtara ike Ya dị ukwuu site n’aka ohu ya kwesịrị ntụkwasị-obi, bụ́ Elaịsha.

Elaịsha, Onye na-alụ Ọlụ Ebube

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

2 Ndị Eze Isi nke abụọ rue nke iri na atọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.